# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) OF NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH,
# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 4TH SUNDAY OF ADVENT (YEAR C)
## SUNDAY, DECEMBER 22, 2024

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **INTO YOUR SANCTUARY** |
| **OFFERTORY:** | **ONYINYE OMA/CHINEKE ONYEOMA...** |
| **CONSECRATION:** | **JESU AGBADATAGO N'ALTAR** |
| **COMMUNION:** | **BIA NARANU RIE** |
| **POST COMMUNION:** | **CRY OUT AND SHOUT; ABU UMU ANU CARRIBEAN MEDLEY + OTHERS** |
| **DISMISSAL:** | **SOON AND VERY SOON** |

**EKPERE MMEGHE**

Chineke, biko were amara Gi hujuo n'obi anyi. I sitere n'aka Mmuozi zitere anyi ozi obibia nke Nwa Gi. Mee ka anyi site n'ahuhu onwu Ya were bata n'ebube nke mbilite n'onwu Ya. Site na Dinwenu anyi Jesu Kristi Nwa Gi.

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n'Akwukwo onye amuma Maika 5:1-4**

***Isi Okwu: Na gi ka a ga-esi muta onye ahu ga-achi Izrel***

Lee ihe Onyenweanyi kwuru: "Gi bu Bethlehem Efrata, i di ntakiri karichaa onumara nile nke Juda; na gi ka e si amutara M onye ga-achi achi n'Izrel; mbido ndu Ya sitererii n'okpu-toro-okpu. Ya bu, Onyenweanyi ga-agbaketa ha azu ruo mgbe nwanyi ahu di ime muru nwa ya. Mgbe ahu ka umunne ya fodurunu ga-aloghachi azu biakwute umu Izrel. O ga-eji ike nke Onyenweanyi, jirikwa ebube eze nke aha Chineke ya, guzoro na-azu igwe aturu ya. Ha ga-ebiri n'enweghi nsogbu o bula, n'ihi na site oge ahu gawa, O ga-eme ka ike ochichi Ya rute akuku uwa nile. O buy a ga-abu udo.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA 79:2-3, 15-16, 18-19 Az. 4**

***Aziza: Chineke igwe ndi agha, kpochighaa anyi azu; mee ka ihu Gi chakwasi anyi, ka anyi were nwee nzoputa.***

1. Biko, Onye nche nke Izrel, too nti n'ala nuru olu anyi. Si n'oche eze ebe I ji ndi Mmuoma gbakwasi ukwu, chawaputa. Kpalite ike Gi, bia zoputa anyi……Aziza.
2. Chineke nke igwe ndi agha, anyi na-ario Gi, chee anyi ihu ozokwa. Si n'eluigwe ledata anya n'ala ka I hu. Bia leta osisi vaini nke a. Chekwawa ihe I ji aka nri kunye n'ala….Aziza.
3. Ka enyemaka Gi nonyere onye I hotara ahota, Onye I jiri aka Gi nye mgbasike. Mgbe ahu anyi agaghikwa ahapu Gi ozo. Nye anyi ndu ohuru, ka anyi wee na-akpoku aha Gi….Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO e wetara n'Akwukwo Ozi e degaara ndi Hibru 10:5-10**

***Isi Okwu: Lee, ano m ebe a! Abiara m ime uche Gi.***

N'ihi nke a, mgbe Kristi na-abia n'uwa, O siri Chinke: "O bughi aja na anumanu e chere n'ihu Gi ka i choro.

Kama, otu ahu ka i kwadebeere m. Aja nsure oku na aja e ji ebupu mmehie adighikwa ato Gi uto. Mgbe ahu ka M ji si: 'Chineke, lee abiala M ime uche Gi, dika e dere banyere M n'Akwukwo Nso' Ihe mbu O kwuru bu nke a: "O bughi aja na anumanu e chere n'ihu Gi ka I choro. Aja nsure oku na aja e ji ebupu mmehie adighikwa ato Gi uto." O kwuru otu a, o bu ezie na a churu aja ndi a dika iwu si di. O kwukwara si: "Chineke, lee, abiala M ime uche Gi."

Nke a na-egosi na Chineke ewepula aja ochie mbu nile, were nke abuo, bu aja nke Kristi, dochie onodu ha.  N'ihi na Jesu Kristi mezuru ihe Chineke choro ka O mee.  O mere ka anyi si na mmehie di ocha.  O mere nke a site n'iche ahu Ya n'ihu Chineke dika aja, nani otu mgbe.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**

Aleluya, aleluya!! Abu m odibo nwanyi nke Oseburuwa, Ya reere m ka i siri kwuo.  Aleluya!!!

**OZIOMA si n'Ozioma di aso nke Luke dere 1:39-44**

***Isi Okwu: "Onyedi ka m bu, nne nke Onyenwe m ji bia ileta m?"***

N'oge na-eteghi aka, Maria biliri ije, gaa elu ala oso oso, ruo otu obodo nta di n'ala ugwu nke Judia. O wee banye n'ulo Zekaria, kelee Elizabeth.  Mgbe Elizabet nuru olu ekele Maria, nwa o bu n'afo wuliri elu.  Elizabet wee juputa na Mmuo Nso.  O wee welie olu ya tie mkpu oñu si:  "I bu onye a kachara nye ngozi n'etiti umu nwanyi nile!  Nwa ahu i ga-amu bukwa onye a goziri agozi!  Olee ebe ka nke a si ru m na nne nke Onyenwe m biara ileta m?  N'ihi na lee, mgbe olu ekele gi dara m n anti, nwa no m n'afo wuliri elu n'ihi oñu.

Ozioma nke Oseburuwa
Otito diri Gi Kristi.

**EKPERE NHUNYE**

Dinwenu, anyi ji añuri na-ebute onyinye n'ebe nchuaja Gi.  Dika I si were Mmuo Gi doo Maria aso, mgbe o di ime nke So Otu Nwa Gi, biko were otu Mmuo ahu doo onyinye ndi a nso.  Site na Kristi Onyenweanyi.

**EKPERE A NATACHAA ORIRI NSO**

Chineke puru ime ihe nile, I nyela anyi oriri nso nke a iji gbaa anyi ibe nkwa nke ndu ebighi ebi I kwere anyi.  Anyi na-ario Gi, otu anyi na-erute nso na nnukwu oriri nke nzoputa, mee ka anyi were nsopuru na-eme emume ihe omimi nke omumu Kristi Nwa Gi.  Onye Gi na Ya di ndu na-achi ebighi ebi ebighi ebi.



# [4TH SUNDAY OF ADVENT (YEAR C)]

The expected King of the Universe will bring justice, equity and peace. His, will be a model kingship that will restore all things. The prophets variously gave prophetic description of this eternal king who is to come pretty soon. The angelic visitation to Mary announces the same message and gave credibility to the ancient prophecies. Mary's visit to Elizabeth and the inspirational revelation and proclamation of Elizabeth sits well with the divine plan. Woman to woman interaction was witnessed and child to child communication even from the womb was visible and manifest. Mary is the ark of covenant that carried the WORD of God just as the covenant ark in OT. 'As the ark if brought to Jerusalem, King David is overcame with awe, saying" how can the ark of the Lord come to me' [2Sam6:9].King David leaps for joy, dancing before the ark [v13]. Such joy is witnessed by baby John in the womb and Elizabeth. Now, this Christmas, Mary brings the ark into the world, into our households and communities. What is your reaction and feeling? Any sense of awe, wonder, joy, peace, etc?  Welcome baby JESUS in our homes and hearts. MERRY XMAS



**Produced by ICC Choir**